# OSIMIRI AHỤ NKE MMIRI NAENYE NDỤ

**Ezikiel 47: 1-12; Nkpughe 22:1-5.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 409**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWUIBUN'ISI: "Ma onye ọ bụla nke gāñu miri ahu nke Mu onwem gṅẹnye ya, akpiri agagh-akpọ ya nku ma-ọli rue mgbe ebighiebi; kama miri ahu nke Mu onwem gēnye ya gaghọ nime ya isi-iyi miri nāsuputa ri nne rue ndu ebigh-ebi" (Jọn 4:14).**

**I. Ọdị da Nke Ndị Israel N'ị za Òkù Nke Chineke**

1. Ha rapụrụ Chineke, isiiyi ahụ nke mmiri naenye ndụ, Jeremaia 2:12, 13.
2. Ha gwuwaara onweha olulummiri ọzọ dị icheiche, Jeremaia 2:13, 26-28.
3. Ihe nka lụpụtara – ebibiri obodo ha ma kpọọ Uloukwu Chineke ọkụ, II Ihe Emere 36:19.

**II. Atụmatụ Nke Chineke Maka Obodo Ahụ N'Ọdị n'iru N'oge Ọchị chị Nke Otù Puku Arọ**

1. Ezikiel hụrụ ọhụ otù obodo, Ezikiel 40:2.
2. Akọwara otú Uloukwu ahụ dị, Ezikiel 40:41-46.
3. Mmrir nkr dị ndụ naeweta ndụ na ọgwụgwọ, Ezikiel 47:1-12.

**III. Mmiri Ahụ Dị ndụ Nke Oziọma Ahụ**

1. Eji nzọpụta tụnyere "olulummiri", Jọn 4:14; Aisaia 12:3.
2. Odudonsọ naasacha site ná mmehie niile, I Jọn 1:9; Ndị Efesọs 5:25-27.
3. Eji baptizm nke Mmụọ Nsọ tụnyere "Osimiri nke mmiri dịndụ," Jọn 7:38, 39; Aisaia 44:3,4.
4. Enyere Ọgwụgwọ nime Mkpuchimmehie ahụ, Aisaia 53:5; Matiu 8:16,17.

**IV. Eluigwe Ọhụ Na Ụwa Ọhụ Ahụ Mgbe Ọchị chị Nke Otù Puku Arọ Ahụ Gasị rị**

1. Jọn hụrụ Obodo-Nsọ ahụ, Jerusalem ọhụ, Nkpughe 21:1,2.
2. Mmiri ahụ nke dindụ ka naeru kwa site n'Ocheeze nke Chineke, Nkpughe 22:1-5.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Uloukwu ahụ**

"N'ọhù di iche iche nke Chineke ka Ọ mere ka m'bata n'ala Israel, Ọ dọbam n'ugwu di elu nke-uku, nke ihe dika obodo anēwu ewu di n'elu ya" (Ezikiel 40:2).

"Gosi ulo Israel ihe nile nke gi onwe-gi nāhu" bụ ndụmọdụ nke Eziniel natara. Nke bụ mgbe ebibiri Jerusalem ma suree Uloukwu Chineke n'ọkụ. Ndị nke Chineke bụ́ Israel ka achsara gaa ná mba ọzọ dị icheiche n'etiti ndị ha naamaghị.

Chineke n'ịhụn'anya Ya gaenyewori ozi ọ́hụ̀ nka iji kpalie olileanya n'obi nke ndị Ya n'otù ụbọchị mgbe agaewughachi obodo ahụ na Uloukwu nke Chineke. Eweghachiri obodo ahụ, wue kwa Uloukwu ọzọ site n'aka Ezra na Nehemia, ma Uloukwu a nke Ezikiel hụrụ dị iche n'Uloukwu ahụ. Ọ dị kwa iche n'ebe Uloukwu nke Herod wuru dị; n'ezie, rue n'ụbọchị taa ọdibeghị mgbe ọ bụla ewuworo Uloukwu dị ka nke ahụ. Ọ gaabụ ihe ịgbaume nye ndị-Ju ndị nọ rue ọgbọ anyi taa inwe olileanya na aghaghị iwu Uloukwu ahụ nke Ezikiel hụrụ n'ọ́hụ̀.

**Mmiri ahụ nke Dị ndụ**

Mgbe ọ́hụ̀ nke Uloukwu ahụ gasịrị Chineke mere ka Ezikiel hụ miriiyi dị-ọcha nke naasụpụta n'okpuru mbata nke ọnụụzọ ahụ. "Miri ndịa nāpu ga na gburugburu-ala Iru-anyanwu, ha we nùda

n’Araba, rùrue oké osimiri ahu; nime oké osimiri ahu ka miri ahu nke anēme ka ha puta gērùbà; ewe gwọ miri-ya. Ọ gēru kwa, na anu nile ọ bula nke nwere nkpuru-obi di ndu gadi ndu, bú nke nēnuputa enuputa, n’ebe ọ bula osimiri abua ndia gērute” (Ezikiel 47:8,9).

**Oziọma ahụ**

Mmiri dịndụ! Mmiri nke ọgwụgwọ! Lee ụdị Oziọma nka dị ebube nke Jisọs Kraist! Naasụpụta site n’ebe Ọkpara Chineke nọ site n’úrù nke dị na Kalvarị, Oziọma ahụ naeweta ọgwụgwọ na nzọpụta n’ebe ọ bụla ọ naeje. N’ala niile nke mmehie mere ka ha bụrụ ebe naadịghị amị mkpụrụ ndụ na nzọpụta esorwo nkwusa nke oziọma baa nime ya. Nkpụrụobi ndị nwụworo anwụ n’ihi mmehie enwewo mmetụta nke mmiri ahụ naasụpụta, ndụ wee bịghachi. Arụ niile nke ike gwụworo site nrịa ka emere ka ha dị ike ngwangwa site n’ike nke Oziọma ahụ. Jisọs sịrị, “Mu onwem biara ka ha we new ndu, ka ha nwebiga kwa ya ókè” (Jọn 10:10).

Lee otú o si bụrụ ihe dị ebube icheèchìchè banyere onyeiro ahụ n’elu obe nke chegharịrị site ná mmehie ya wee chọta ọnọdụ na Paradais! otù onyeisi n’etiti ndị ọnaụtụ nke jikeere ịnyeghachi okpukpu anọ nke úrù ọ bụla enwetara n’ụzọ naezighi ezi! Na otù nwayị nke ejidere n’ịkwa iko nke nụrụ okwu ndịa, “Mu onwem amagh kwa gi ikpé: ga nke gi; site n’ugbu a adila nēmehie ọzọ”! (Jọn 8:11). Mmiri ndịa dịndụ nke Oziọma ahụ nọrị naasụpụta site n’oge nke Ndịozi wee rue n’oge dị ugbu a. Ndikom na ndinyom n’ụbọchị taa naenwe mmetụta nke ike nke mgbanwe ahụ nke dị n’Oziọma. Ndiiro, ndị naañụbiga manya ókè, ndị naakwa iko na ndị niile nwere eziomume nke aka ha, naachọta mgbaghara na ndụ site n’ịbịakute Kraist.

**Ọgwụgwọ**

Anaachọta kwa ọgwụgwọ nime Oziọma site ná mkpuchimmehie ahụ na Kalvarị. “Ma ya onwe-ya bu onye amapúworo site na njehie nile nke ayi, onye azọpiaworo site n’ajọ omume nile nke ayi: ahuhu-nmehie nke udo-ayi di n’aru ya, ọ bu kwa ubiri-utari-ya ka ejiri me ka aru-ayi di ike” (Aisaia 53:5). Ihengosi nke ọgwụgwọ nime Mkpuchimmehie ahụ na Kalvarị ka agara n’iru n’ime ka o guzosieike na Matiu 8:16, 17: “Ma mgbe o ruru anyasi, ha kutara Ya ọtụtụ madu ndi mọ ọjọ ji: O we were okwu-ọnu chupu ndi-mọ ahu, me kwa ndi nile aru nādigh nma ka aru-ha di ike: ka okwu ekwuru site n’ọnu Aisaia onye-amụma we mezu, si, Ya onwe-ya nara nriaria nile ayi, buru kwa ọria nile ayi.”

Mmiriiyi ahụ naenye ndụ ka nọ kwa naerù, ọlụebube dị icheiche nke ọgwụgwọ ka anaahụ kwa naewepụghị aka, ụmụ Chineke naagba kwa àmà ya. Ụdị ọrịa niile dị icheiche ka agwọworo n’oge nke anyi site n’ekpere; ọtụtụ mgbe ọrịa nke gbagwojuru ndịdibịa anya ka agwọrọ n’otù ntabi-anya site n’aka Kraist.

**Olùlùmmiri Tipúruetipú**

“Ka ibobo ihe a nwua unu n’aru,unu elu-igwe, tuanu oké ujọ, burunu ihe tọgbọrọ n’efu nke-uku, ọ bu ihe si n’ọnu Jehova puta. N’ihi na ihe ọjọ abua ka ndim meworo; Mu ka ha rapuworo, bú isi-iyi nke miri nēnye ndu, ka ha we gwuwara onwe-ha olùlù-miri di iche iche, bú olùlù-miri tipúru etipú, nke nānagidegh miri” (Jeremaia 2:12, 13). Dịka ndị Israel rapụrụ Chineke wee chee iru n’ebe arụsị dị, otú a ka ụmụ mmadụ rapụrụ mmiri ahụ dịndụ wee chee iru n’ihe nke aka ha mepụtara n’olileanya iji mee ka afọ ju obi ha. Oziọma ahụ bụ mmiriiyi dịndụ nke naeweta udo na afọojuju nye ndị naachọ nzọpụta. Ma n’etiti nsogbu na ibuagha nke ihe ahụ anaakpọ mmegheanya nke obodo taa, ọ bụ nánị mmadụ olenaole na echigharịkute Chineke. Ha ewuwaworo onweha olùlùmmiri tipúruetipú nke naanagideghị mmiri ọ bụla.

Ọtụtụ ndè mmadụ naeche iru ha naebe ọñụñụ naaba n’anya dị na n’ihe eji eme ka ụra tụa mmadụ iji bilata iruuju ha kama ịchọ Onyenkasiobi ahụ Onye pụrụ inye ha ezi nnapụta. Ndị ọzọ naachọ inweta obiụtọ nime mmehie dị icheiche, naegeghi ntị ná nkwa ahụ, “Igēme ka n’mara uzọ ndu: ojuju-afọ ọñu di n’iru Gi; E! utọ di iche iche di n’aka-nri Gi ebigh-ebi” (Abù-Ọma 16:11). Ọtụtụ ka ha dị bú ndị naeche iru ha n’ebe akụ dị naamaghị na “ọ bugh n’ihe o nwebigara ókè ka ndu madu di” (Luk 12:15). N’ezie olùlùmmiri tipuruetipu ka ha nwere bú ndị ahụ naachọghị “ibu ụzọ chọ ala-eze Ya na ezi omume ya” (Matiu 6:33).

**Ịdị -Obosara Nke MMiri ahụ Dị ndụ**

Mmiriiyi ahụ dịndụ nke Oziọma dị omimi dị kwa obosara, dịka osimiri ahụ nke Ezikiel hụrụ. Otù puku kubit – 1,500 fit – mere ka mmiri ahụ rue onyeamụma ahụ ná nkwonkwoụkwụ, ma dịka ọ naaga n'iru, mmiri ahụ dịwara omimi rue ikpereụkwụ, rue n'úkwù ya, rue mmiri anaegwuegwu, rue osimiri dị ukwu nke anaapụghị ịgabiga nime ya. Otú a ka Oziọma nke Jisọs Kraist dị: dịka madụ naaga n'iru nime ya, ọ naahụ omimi ya, idịobosara ya, na ịdị ukwu nke irùerú ya karịa.

Ụfọdụ mmadụ naanwa ịba nime mmiri ahụ wee nata nzọpụta, ma rapụ ilepụ anya n'iru ịhụ ịmamma niile nke ịdịnsọ. Lee ụdị ngọzi ha gaanatawori, ma ọ bụrụ na ha gaeso nwoke ahụ ji eriri eji atù ihe gaa otù puku iheọ̀tụ̀tụ̀ cubit ọzọ! "Ngọzi nadiri ndi di ọcha n'obi: n'ihi na ndi ahụ gāhu Chineke" (Matiu 5:8). Ma gịnị mere mmadụ gaeji tụfue oge n'isoro rue ebe ahụ nke "site n'afọ-ya ka osimiri nke miri di ndu gēsi nērùputa (ma nka kaO kwuru banyere Mụọ Nsọ nke ndi kwere na Ya gaje inara: …") (Jọn 7:38,39). Aka-agabigaghị mmiriiyi ahụ ekewapụta onweha site n'ụwa, ma site kwa n'okwukwe banye nime mmazu nke Chineke. "A! omimi nke GAkGU nke amam-ihe na nke ihe-ọmuma kwa nke Chineke! Le otú anēnwegh ike ichọputa ikpé-Ya nile, otú anēnwegh kwa ike ituputa uzọ-Ya nile!" (Ndi Rom 11:33).

**Ihe dị icheiche bụ Eziokwu nke Gaje Imezu N'Ọdị n'iru**

Dịka Ezikiel hụrụ otù mmiriiyi nke naerupụta site n'Uloukwu Chineke nke dị na Jerusalem, otú a ka Jọn Onye-ahụrụn'anya hụrụ "osimiri nke miri nke ndu, nenwu dika crystal, ka o nēsi n'ocheeze Chineke na nke Nwa-aturu ahu puta" (Nkpughe 22:1). Ọ dighi ọbụbụọnụ ọzọ dị, Chineke bi kwa n'etiti ndị nke Ya. Ọ bụ ezie na Oziọma ahụ naewuli ma naenye kwa mkpụrụobi afọojuju, ma olileanya nke OnyeKraist ọ bụla gafere ụwa-mmehie nka abụrụọnụ wee rue ụbọchị ahụ mgbe agaeme ka okwukwe pụta ìhè.

Anyi matara na Jerusalem gaabụ isiobodo nke ụwa niile n'oge Ọchịchị-udo ahụ mgbe Kraist ga naachị n'elu ụwa nka. Naenweghị obiabụa agaewu Uloukwu Chineke nke Ezikiel hụrụ, osimiri nke mmiri ahụ dịndụ gaerupụ inye Osimiri ahụ Nwụrụanwụ nke dị ugbua ndụ. Lee ụdị olileanya dị ebube nke OnyeKraist ahụ naemeriemeri mwere nke isoro Kraist biri ma chịa kwa ọchịchị otù puku arọ n'elu ụwa nka na isoro Onyenweanyi nọrọ ebighebi ma emesịa n'Eluigwe ọhụ na Ụwa ọhụ ahụ! Mmiriiyi ahụ dịndụ gaanọgide n'irupụta site n'Ocheeze nke Chineke nanke Nwatụrụ ahụ.N'akụkụ nke ọzọ ka Osisi nke Ndụ ahụ dị, nke naamị mkpụrụ ya n'ọnwa niile. "Ma ike agwula anyi n'obi n'ime iheọma: n'ihi na anyi gēweta iheubi mgbe oge-ya ruru, ma aynyi adagh mbà" (Ndi Galetia 6:9). N'ezie ụgwọọlụ ha dị ukwu bú ndị ahụ ga ejisiike baa nime Alaeze nke Chineke!

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ ịdịogologo nke ihe ọtụ̀tụ̀ cubit?
2. Gịnị nwere ike ịbụ ebe dịkarịsịrịnta n'obosara nke osimiri ahụ nke Ezikiel hụrụ?
3. Gịnị ka osimiri ahụ naegosi?
4. Gịnị ka osimiri ahụ naalụpụta n'ebe ọ bụla ọ naeru aga?
5. Were ihe a nke Ezikiel hụrụ tụnyere ọ́hụ̀ nke Jọn n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ a.
6. Òlee mgbe ọ́hụ̀ nke Ezikiel gaemezu? Nke Jọn kwa?
7. Ụdị mkpụrụ òle ka osisi nke ndụ ahụ naamị?
8. N'oge ra añaa ka osisi nke ndụ ji amị mkpụrụ?
9. Gịnị ka eji akwụkwọ nke osisi ahụ eme?
10. Kpọọ aha ụfọdụ nime mgbanwe dị icheiche nke gaadị n'ụwa ọhụ ahụ.